## SOM TOO CHUKWU (Alto-Chorus)

Chukw'okike, ked'ihe mg'enye Gi?
Ked'ihem ga-emere Chineke, Odogwu n'agha
Is'iyi nke ndu m o
Agada gbachiri uzo, Chukwu
:Nkenk'iyi n'ebu ogwe, abu oma k'anyi ji bia
N'ihu Gi, Chineke
Abu otito k'anyi ji bia ezi Chukwu.

Soro m n'eto Ya, n'odimma
Soro m tobe Ya  n'odimma
A gam ako ihe Chukwu mere mo
I huru m n'anya, Chukwu
Soro m too Chukwu
Eh! Onazo mo! Elegh'anya n'azu
N'ime mkpam ka mbekuru Gi
Okw'izara mo
Chineke, onye di ka Gi, Ez'igwe
O! abu otito ka m g'eji wee kele Gi
O! abu otito ka m g'eji jaa Gi mma—
O- Chineke n'idi mma
Ebube Gi di ukwu

## SOM TOO CHUKWU (Bass-chorus)

Soro m tobe Chukwu, tobenna tobenna
Soro m tobe Nna, Oh tobenna tobenna
Mkpur'obi m tobe Chukwu, tobenna tobenna
Mkpur'obi m tobenna Oh tobenna tobenna
: Sorom too Chukwu, Onalu olu ebube
Sorom tobe Chineke Nna mo n'odi ukwu
Sorom tobe Chukwu, tobenna tobenna
Sorom tobe Nna Oh tobenna tobenna
Mkpur'obim tobe Chukwu, tobenna tobenna
Mkpur'obim tobenna Oh tobenna, Tobe Onye Ukwu!!

***Taraba dib dib, Taraba dib dib,***
***Teberebe dib, dib dib***